lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Onye-ndú Tempụl biara ileta Jizọs



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Mgbe Jizọs gara n’ụlọ nsọ otu ụbọchị, ọ hụrụ ka ndị mmadụ na-akparị ụlọ Chineke. Ha na-ere anụmanụ na-agbanwekwa ego n'ụlọ nsọ.



Jizọs ji ụdọ mebe ụtarị, ma chụpụ ndị na-ere ahịa n’ụlọ nsọ.  “Wepụnụ ihe ndị a,” ka o nyere n’iwu. “Unu emela ụlọ Nna m ka ọ bụrụ ebe azụmahịa.” Jizọs hụrụ Ụlọ Nna Ya n’anya.





Ndị-isi wee chọọ ihe-iriba-ama ga-egosi na Jizọs nwere ikike ikpochapu ụlọ nsọ. “Kwatuonu ụlọ nsọ a, m ga-ewulikwa ya elu n’abali ato” ka Jizọs zara. Nke a apụghi ime! Ụlọ nsọ e ji afọ iri anọ na isii ruo.

Ma Jizọs na-ekwu okwu bayere
ahụ-Ya. Dịka Ụlọ Nsọ ahụ,
ahụ ya bụ ebe obibi nke
Chineke. N'agbanyeghị
na Jizọs ga-anwụ n'obe,
ọ maara na Chineke
ga-akpọlite ya n'ọnwụ
n'ụbọchị nke atọ.





N’abalị, otu n’ime ndị isi ụlọ nsọ ahụ bịara ileta Jizọs.  O ji ọlụ ebube ndị ahụ mara na ọ bụ Chineke zitere Jizọs.  Nikọdimọs bịakwutere Jizọs ka ọ mụtakwuo ihe banyere Chineke.



Jizọs gwara Nikọdimọs na a ga-amụrịrị ndị mmadụ ọzọ maka ịbanye n’Alaeze Chineke. Nikọdimọs aghọtaghị ya.  Olee otú nwoke toro eto ga-esi ghọọ nwa ọhụrụ? N’agbanyeghị nke ahụ, o ji okpukperechi kpọrọ ihe.  Ọ bụ na nke ahụ ezughị?



“Ihe a mụrụ site
na mmụọ bụ
mmụọ,” ka Jizọs
kọwara.  “Mmụọ
Chineke dị ka
ifufe.  Ndị
mmadụ anaghị
ahụ ma ọ bụ
ghọta ifufe.
Naanị ihe ha
na-ahụ bụ ihe
ifufe na-eme.”



Jizọs chetaara Nikọdimọs gbasara mkpesa ụmụ Israel mere megide Moses ogologo oge gara aga. “Anyị enweghị nri, enweghị mmiri, anyị kpọkwara achịcha Chineke na-enye anyị asị,” ka ha na-eti na mkpu.

Mmehie ndị ahụ kpasuru
Chineke iwe. O zipụrụ agwọ
dị ọkụ n'etiti ha. Agwọ ndị
ahụ takwara ndị mmadụ.
Ọtụtụ ndị nwụrụ.



"Anyị emehiewo. Kpee ekpere ka Jehova wepụ agwọ ndị ahụ," ka ndị mmadụ rịọrọ. Moses wee kpere ha ekpere. Ma Chineke ewepụghị agwọ ndị ahụ.



Chineke gwara Moses ka o mee agwọ na-ere ọkụ ma tụkwasị ya n’osisi. “Onye ọbụla agwọ tara ga-adị ndụ ma ọ bụrụ na o legide agwọ ahụ anya n’osisi,” ka Chineke kwere ná nkwa. Moses wee mee agwọ ọla, e wee mee ka aru dị ndị na-elekwasị ya anya ike.




Jizọs gwara Nikọdimọs na a ga-ebuli Nwa nke mmadụ elu dịka agwọ ọla ahụ. Jizọs na-ekwu maka elu-obe ebe Ọ ga-anwụ maka ndị mmehie.



Jizọs sịrị, “Chineke hụrụ ụwa
n'anya nke na O nyere
Ọkpara ọ mụrụ naanị ya,
ka onye ọbụla nke kwere
na Ya wee ghara
ịla n'iyi kama nwee
ndụ ebighị ebi.”


Nke a pụtara na onye ọbụla nke kwere na Jizọs ka a mụnyeworo n'ezi na ụlọ nke Chineke.

Ma eleghị anya, Nikọdimọs aghọghị onye na-eso ụzọ Jizọs n'abalị ahụ.  Ma ka ọtụtụ afọ gasịrị, Nikọdimọs gosiri na ya hụrụ Jizọs n'anya ma kwere na ya site n'inye aka lie Ọkpara Chineke a kpọgidere n'obe.



Mgbe ihe a gachara, Jizọs na ndị na-eso ụzọ ya gawara njem rue N'ugwu.  Ọ dị ndị ọzọ mkpa ịnụ banyere Ala-eze Chineke, ma nwekwa ohere ikwere na Jizọs onye Nazaret, Ọkpara Chineke.



Onye-ndú Tempụl biara ileta Jizọs

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Jọn Isi nke abụọ rue nke atọ,
Ọnụ Ọgụgụ Isi nke iri abụọ na otu

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.